# IJÉOZI NKE PỌL NIME OBODO MELITA NA ROM

### Ọlu Ndi-ozi 27:1-44; 28:1-31

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 371

### Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ganu n'uwa nile, kwusara ihe nile ekèrè èkè ozi ọma nkem"(Mak 16:15).**

**Iburu Oziọma ahụ**

Emezuru otù nime ọchịchọ nke Pọl kachasị ukwu -- ọ naaga Rom. Ọ bụghị ijè obiụtọ. Nime akụkọ Pọl niile banyere ijè ya o kwughị banyere osimiri maramma, maọbụ akụkụ obodo dị mma n'anya, maọbụ ugwu maọbụ ebe nlereanya maramma. Ọ hụrụ karị ihe anya naahụ́. Ọ hụrụ ihe ripịara échìchè ya na ndụ ya, wee kpalie ịnụọkụn'obi ya, kwalie kwa nzọụkwụ ya ọ bụla. Ọ hụrụ mkpụrụobi náala n'iyi, wee biendụ ya niile kwusara ha Oziọma.

Ka anyị mụta site ná ndụ Pọl na ọ bụghị náání ka agọzie anyí ka anyị ji nọdụ n'ebe a. Anyị naanata ngọzi niile nke Chineke, ma anyị kwesịrị ịbụ kwa ngọzi nye ndịọzọ. Ọ bụrụ na ọ dịwo mgbe Jehova chọrọ ndịkom na ndịnyom na ụmụokorọbia na ụmụagbọghọ ndijikere ifè Onyenwe anyị, fè kwa nwnne ha, ọ bụ taa. Dịka n'oge nke Akwụkwọnsọ, "òkù anaakpọ na Masedọnia" -- sị "Gabita….yere ayi aka,"naada kwa ga n'iru (Ọlu Ndi-ozi 16:9). Ọ bụrụ na anyị apụghị ijé obodo dị anya, anyị pụrụ ikpere mkpurụobi náala n'iyi ekpere, kpeekwara ndị pụrụ iburu Oziọma jee.

**Iheegwù Nke Ijé N'elummiri Ahụ**

Naarị ndịkom abụọ nairiasaa na isii nọ n'ụgbọ ahụ nupụrụ. Nke a abụghị ụgbọ emepụtara ọhụụ nke náagbasi ọsọ ike enwere n'ụbọchị taa, kama ọ bụ nke oge ochie nwere akwaifufe, nke náebu ọtụtụ ihe dịka igwe ọlụ, ọka na nri ọzọ dị icheiche. N'ihi óké ihe egwù sitere n'ebilimmiri na oge ọjọọ Pọl dọrọ onye nwee ụgbọ akanántị ka ha nọgide n'ọnụmmiri Krit (Ọlu Ndi-ozi 27:21). Ma onyeisi ụgbọ egeghị ịdọakanántị Pọl nke mere ka ọ dị ka olileanya adịkwaghị; anyanwụ maọbụ kpakpando apụtaghị rue ọtụtụ ụbọchị, ebe óké ebilimmiri naamakwasị ụgbọ. Mgbe olileanya na agaazọpụta ndụ gwụrụ ha, Pọl biliri wee gbaa ndị nọ n'ụgbọ ume site n'ịgwa ha na mmụọozi nke Chineke guzoro ya nso n'abalị ahụ, sị ya, "Atula egwu, Pọl."

**Agbamume Nke Pọl**

Nke a bụ akụkọ pụtara ìhè nke ihe ọ pụtara na otù onye nke Chineke nọ n'etiti ndị nọ n'iru mbibi na ịlan'iyi. Pọl bụ ihe àtụ̀ nke okwukwe na obiike nime óké ọnwụnwa. Ọ gbara ndị ahụ ume wee gwa ha na agaazọpụta ha niile. Ọ bụ aka Onyenwe anyị duru ha jé agweetiti ntà anaakpọ Melita. (Agweeetiti a bụ otù nime ebe atụrụ ọtụtụ ogbunigwe n'oge Ọ̀gụ̀ Ụwa niile nke 2.)

Mgbe ndịkom ahụ naachọ ifeba nime osimiri igwupụta n'ọnụmmiri Pọl dụrụ ha ọdụ sị, "Ọ buru na ndia anọgidegh n'ugbọ, apugh izọputa unu onwe-unu." Ọ rụgidekwara ha ka ha rie nri mgbe ha busịrịọnụ izu abụọ . Dịka ebilimmiri naamagharị ụgbọ, Pọl ziri ndị nọ n'ụgbọ ochie ahụ Oziọma.

**Ụgbọ Nke Oziọma Ahụ**

Taa, anyị onwe anyị nọ nime ụgbọ anaakpọ "Ezi Ụgbọ Zaiọn." Ụfọdụ mgbe anyị nọ n'óké ebilimmiri, mmiri nke ndụ pụrụ irubiga ókè. Ma ọ bụrụ na anyị nọ nime ụgbọ ka ike ghara ịgwụ anyị ịnya ụgbọ. Ọ bụ náání ụgbọ a pụrụ ịgabiga ebili; ndịọzọ niile gaemikpu nime mmiri. Ma Ụgbọ nke Oziọma ganaaga rue mgbe o jeruru Ọnụmmiri nke Igwe.

Anaechetara anyị okwu ahụ dị mkpà nke Onyeisiagha James Lorins kwuru nime Agha nke arọ 1812, mgbe o gaje ịnwụ nime agha elummiri. Okwu ikpeazụ ọ gwara ndịkom ya bụ "Arapula ugbọ ahu ka okpue."

**Mmadụ Niile Ruru N'eluala**

Ndịkom ahụ niile rịgotasịrị n'eluala n'udo, ọ bụ ezie na óké ifufe tiwasịrị ụgbọ ahụ. Ndị bi n'agweetiti Melita mụnyere ọkụ, gosi kwa ndịkom ahụ oyi naatụ nke ike gwụsiwokwara ịhụn'anya. Ka Pọl naenye aka ịchịkọta nkụ iji tinye n'ọkụ, otù ajụàlà, maọbụ agwọ kowasịrị ya n'aka wee táá ya alụ, ma o fenyere ya nime ọkụ, náenweghị kwa mmeeruarụ ọ bụla. Ndị obodo ahụ lekwasịrị ya anya ịhụ ma aka ya ọ gaaza maọbụ ka ọ daa n'ala nwụọ. Ma mgbe ọtụtụ oge gasịrị ha hụrụ na ọ dịghị ihe gaje ime Pọl. Anyị mara nkeọma na Onyenwe anyị chebere ya pụọ n'ihe mmerụarụ niile.

**Mgbasa Oziọma N'agweetiti Ahụ**

Pọl naachọ ohere ịkọrọ onye ọ bụla o zutere akụkọ nke Oziọma. Onyeisi agweetiti ahụ bụ Pọbilọs gosịrị Pọl na ndịijè niile obi ọmiko. Mgbe nna onyisi ahụ rịaraọrịa, Pọl bikwasịrị ya aka kpeeekpere, arụ ya wee dị ike. Ndịọzọ niile arụ náadịghịike bịakwutekwara Pọl Onyenwe anyị wee gwọ ha niile. "Ihe-iriba-ama ndia gēso kwa ndi kwere: n'aham ka ha gāchupu ndi-mọ ọjọ; …. Ha gēbikwasi ndi-nrianria aka, agēme kwa ka aru ha di ike" (Mak 16:17, 18).

**Ịgụakwụkwọ Nke Pọl**

Esi n'Eluigwe zipụ Pọl na Ndịozi niile ọzọ ikwusa Oziọma. "Ndi ahu we pua, kwusa ebe nile, Onye-nwe-ayi nēso kwa ha n'ilu ọlu, nēme okwu-ha ka o guzosie ike site n'ihe-iriba-ama di icheiche nke nēso" (Mak 16:20). Ọ bụ "Onye-isi-agha," bụ́ Chineke onwe Ya nyere ha akwụkwọ ntozuòkè. Mmụta bara urù inwe, ma nke kachasị mma bụ "ọ̀zụ̀zụ̀" anaenweta site n'ịmụ Okwu Chineke na ikpeekpere nke ukwuu. Pọl gụrụ akwụkwọ dị ukwu n'ụlọ akwụkwọ mụta kwa ọtụtụ ihe n'ọnụ ndịọ̀zízí ya, ma site n'ụbọchị o zutere Jisọs n'Ụzọ Damaskọs, o nwetara Onyeozízí ọhụụ. Ọ mụtara ihe dị ukwuu karịa n'ọnụ Ya. Anyị onwe anyị pụkwara ịmụta ụzọ eziomume na ịdịnsọ site na Ya. Ka anyị jisieike ịmụta ihe "n'ulo akwukwọ a."

**Ijéru Rom**

Mgbe ha nọsịrị ọnwa atọ n'agweetiti ahụ ha jikere ọzọ ịnupụ ụgbọ. Ndị bi n'ebe ahụ nyere ha ihe niile ha chọrọ n'ijè ha nke fọdụrụ.

N'ikpeazụ ha rutere obodo ukwu ahụ bụ Rom, nke bụ isiobodo nke ụwa niile n'oge ahụ. Pọl kọwaara ndị Juu nọ na Rom otú o ji bịa dịka onye mkpọrọ. Ọ kọrọ ha banyere Jisọs si n'ụtụtụ rue abalị. Ụfọdụ kwere ebe ndịọzọ náekweghị. O kwusara ndị nọ n'ebe ahụ ruo arọ abụọ, ma n'ihi obietili ha, ọ gwara ndị Juu na Chineke gaje izigara Ndịmbaọzọ ozi nke nzọpụta ebe ha jikere ịnụ ya.

**Ohere Anyị Nwere**

Anyị onwe anyị taa bụ Ndịmbaọzọ anụwo akụkọ nke Oziọma, nzọpụta pụọ ná mmehie, site n'Ọbara Jisọs; odudonsọ, nke bụ obi dị ọcha, site kwa n'Ọbara Ya; ya na baptizim nke Mmụọ Nsọ nke anaawụkwasị na ndụ dị ọcha nke edoro nsọ; ọgwụgwọnsọ na ngọzi niile ọzọ anyị naanata n'aka Onyenwe anyị.

Ka anyị ghara ịdị ka ọtụtụ nime ndị Juu nke oge Pọl: ha nụrụ ma ha aghaọtaghị n'ihi na "nti" nke obi ha mechiriemechi; ha hụrụ ma ha ahụtaghị n'ihi na anya ha nke imemmụọ egheghịoghe. Ka anyị meghe obi anyị nwee kwa mkpebi siriike na, ọ bụ ezie na ụzọ nke Igwe adịghị mfé, anyị gaeguzo n'ebe ọ bụla sieike, dịka Pọl, wee rue n'ọgwụgwụ nke ijè a, site n'amara Chineke.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Gịnị mere ijé njèm n’elu osimiri ji jupụta n’ihe egwù n’oge ahụ?

2 Gịnị bụ ndụnmọdụ nke Pọl? Hà nabatara ya?

3 Gịnị mere nke gbara Pọl ume? Òle otú o si nye ndịọzọ obiike?

4 Oge ra añaa ka ha buruọnụ?

5 Mmadụ òle nọ nime ụgbọ ahụ?

6 Òlee otú ha si rigota n’ala? Ọ̀ dị onye lara n’iyi?

7 Gịnị bụ aha agweetiti ahụ?

8 Ndị obodo ahụ hà gosịrị ndịkom ahụ si na mmiri pụta ịhụn’anya?

9 Gịnị ka Pọl mere n’ebe ahụ?

10 Ndị Rom hà nabatara Oziọma ahụ?